Ịtụle Ka Ndị Igbo Si Agụ Oge N'agbaochie Na Kwa Agbaọhụụ Nke

Magnus Aniago
Institute Of African Studies
University Of Nideria, Nsukka magnus.aniago@unn.edu.ng
+2347064977068

Josephine Chidera Ugwuamoke
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka chiderajosephineogbobe@gmail.com
+2348164444229

Grace Nneoma Arohonyekachi
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka emmanuelgracenneoma@gmail.com
+2347068818831
*Correspondence Author

Ụmị Edemede

Ịgụ oge dỊ mkpa na ndụ mmadụ n'elu ụwa n'ihi na mmadụ ji oge eme ọtụtụ ihe ọ naeme. Asụsụ bekee bịara were nnukwu ọnọdụ n'ala Igbo nke mere na ọtụtụ ihe ndị Igbo maara aha ha ka ha bịara na-echefu. Edemede a lebara anya ka ndị Igbo si agụ oge na mgbeochie na kwa ugbu a. Ihe butere nnyocha a bụ na ufọdụ ndị mmadụ na-eche na ndị Igbo enweghị ụbara ọnụọgụ dị ka ọ dị na bekee maọbụ n'asụsụ mba ụwa ndị ọzọ. Nchọcha a ka e mere iji mata ka ọnọdụ ọnụọgụgụ oge si dị ma ugbu a na mgbe gara aga. Usoro nchọcha a gbadokarịrị ụkwụ n'ihe onye na-eme nchọcha a maara maka asụsụ Igbo dỊ ka nwa amaala Igbo. E lenyekwara anya n'ihe ọtụtụ mmadụ kwuru maka asụsụ n'akwụkwọ e degasịrị maka asụsụ, na inteneti. A chọpụtara na ndị nwere usoro ọnụọgụgụ oge tupu ndị ọcha abata ala Igbo, ma nwekwaa usoro ọnụọgụgụ oge, ọbụladị oge ugbu a. Ndị Igbo ji ụbọchỊ, izu, afọ, ọnwa egosipụta oge. Ụzọ ndị ọzọ gbadokwara ụkwụ na mmemme dị iche iche, ihe ọma megasịrị, ihe ndapụta, w.d.g. Ịgụ oge na-enyere ndị Igbo aka eme ka ndụ dịrị ha mfe.

Okwugasị gbara ọkpụrụkpụ: Oge, Asụsụ, Igbo, Bekee

Mmalite

Ọtụtụ mmadụ, ọ kachasị ndị agbaọhụụ na-atụle ma e nwere ka ndị Igbo si nwee ọnụọgụgụ oge tupu ndị ọcha abata ala Igbo. Ndị ọcha bịara ala Igbo wetara ọtụtụ mgbanwe nke metutara ka e si agụ oge. Ịgụ oge ha wetara maara ndỊ Igbo ahụ nke na ọtụtụ echetaghịkwa na ndị Igbo maara agụ oge tupu ndị ọcha abịa. N'ọtụtụ ebe, nne na nna bụ bekee ka ha na-asụrụ ụmụ ha n'ụlọ, nke na ọtụtụ n'ime ụmụaka ndị a enweghịkwa ihe ha maara maka ịgụ oge ndị Igbo, karịkwaa ma mkpụrụokwu ole na ole metutara oge. Edemede a ga-enye aka ịza ajụjụ ma ndị Igbo enwere ka ha si agụ oge tupu ndị ọcha abata ala Igbo. Edemede a ga-enye aka mee ka ndị mmadụ, ọ kachasị ndị agbaọhụụ mata usoro ndị Igbo si agụ oge mana gboo ma ugbu a. Ịgụ oge dị nnukwu mkpa na ndụ ndị mmadụ nke na o nweghị ụbọchị ga-agafe mmadụ ghara ime ọtụtụ ihe n'oge. Ọ bụ nke a mere ndị Igbo ji agụ aha, 'Ogechi' nke pụtara na oge Chukwu ka mma.

Oge Na Mpụtara Ya

Oge so n'otu ihe na-ahịa ndị mmadụ ahụ ịkọwa ihe ọ bụ. Ụfọdụ ndị ọkammụta agbaala mbọ ịkọwa ihe oge bụ kpọmkwem mana ọ na-ahịa ahụ. Ndị nke gbara mbọ ka ha kọwaa ya mere nke a n'ụzọ dị iche iche iji me ka a ghọta ihe a na-ekwu karịa ma ịkpọ aha ihe ọ bụ. Ihe butere nke a bụ na o siiri ha ike ikwu ihe oge bụ. Akwụkwọ Wikipedia kọwara oge dị ka ihe na-aga n'ihu, bụ ihe dị adị, nke na-apụta dị ka ihe doro anya nke na ọ gaghị enwe ike ịlọchigha azụ, bụkwa nke na-esote onwe ya bido mgbe gara aga, na ugbu a, ruo n'ọdịniihu (https://en.wikipediaorg). Isaac New kwenyere na oge bụ ihe dị

kpọmkwem (google.com). Ndị ọzọ kwenyekwara na oge gbadoro ụkwụ ka e si kọwaa ya na ihe e jikọrọ ya na ya. Mmadụ nwere ike ịga n'ihu n'oge ma ọ gaghị enwe ike ịlaghachi azụ n'oge. Oge bụ ihe dị omimi (google.com). Oge pụtaara ndị dị iche iche ihe dị iche iche (You Tube Fermi lab). Brian (2019) kwuru na o nweghị onye ga-ekwu kpọmkwem ihe oge bụ. N'uche ya, oge so n'ihe kacha baa uru mmadụ nwere. O kwuru na oge naegosi ihe omume na-esogasi onwe ya nke enweghị mgbanwe. Brian kwuru na ihe banyere ihe oge pụtara gbagwojuru ndị oke amamihe anya ọtụtụ afọ. O kwuru na oge nwere ike igosi ka ihe dị kpọmkwem mana o gaghị enwe ike ikwu ihe onwe ya bụ. Brian kwuru na oge bụ

ụzọ ụwa si egosi na ihe niile anaghị eme out mgbe. Otu onye kwuru na ya nwere ike ikọwa ihe oge ga-eweta maọbụ enye, ma ya agaghị enwe ike akọwa ihe ọ bụ (thoughtco.com)

Na nkọwa nke ya, Nkọwaokwu Cambridge kwuru na oge bụ akụkụ ndụ mmadụ nke naegosipụta nkeji, ụbọchị, afọ, dgz., maọbụ usoro a dị ka ihe jikọrọ ọnụ (dictionary.cambridge.org). N'ihe ọmụmụ Fiziks (Physics), ihe e ji akọwa oge bụ igosi ka ihe ha (measurement). Oge bụkwuazị n'ihe ọmụmụ a, ihe elekere na-ekwu. Otu aka ahụ kwa, Nkọwaokwu Collins kọwara oge dị ka ihe a na-atụ na nkeji, na awa, izu, ọnwa, na afọ, bụ nke elekere maọbụ Kalịnda (calendar) na -egosipụta (collinsdictionary.com). Na nkọwa ndị a niile, e nwere ike iwere oge dị ka mgbe ihe ji eme nke enwere ike igụ site n'elekere, mmemme, oriri, maọbụ ụzọ ndị ọzọ dị iche iche.

Ịgụ Ma Ọ Bụ Ịmapụta Oge

Ịgụ maọbụ ịmapụta oge bụ, mmadụ ikwu lee oge ihe ga-ewe iji me ihe ahụ maọbụ oge a ga-eme ihe. O nwekwara ike ịbụ oge maọbụ mgbe ihe mere. Nkọwaokwu Collins kọwara ịmapụta oge dị ka iwepụta maọbụ ikwu ọsọ maọbụ oge ihe ji eme iji mebe nke ka mma (collinsdictionary.com}. Naka nke ọzọ, Nkọwaokwu Merriam Webster kwuru na ịgụ oge bụ mgbe e nwere ike ime ihe kpọmkwem (www: merriam.webster.com). N'ebe ọzọ, ịkọwa ọgụgụ oge metutara ikpebi mgbe ihe ga-eji na-eme, oge ọ ga-ewe iji me, maọbụ ijikọta ihe ndị a ka e weta mbunuche (vocabulary.com). N'ebe ọzọ, a kọwakwara ịgụ oge dị ka iwepụta oge kacha mma ime ihe maọbụ ikwu ihe iji nweta ihe ebu n'uche (wordreference.com).

Bido na mgbe Chineke kere mmadụ n'elu ụwa, ka e lere anya na o bidoro tinye anya n'ihe gbasara oge na ka ọ ga-esi na-agụ ya. Oge dị ezigbo mkpa n'ihe gbasara ndụ mmadụ n'elu ụwa n'ihi na ihe niile mmadụ na-eme bụ n'ime oge ka ọ na-eme ya. Akwụkwọ Nsọ kọwara na mgbe Chukwu kere mmadụ, o mere nke a n'ime oge. Ọ kọwara na o mere nke a ụbọchị nke isii ka o kechara ihe ndị ọzọ o kere n'elu ụwa. Otu Akwụlwọ Nsọ ahụ kwukwara na mgbe oge ruru, Chineke zitere Ọkpara ya ọ mụrụ naanị ya, ka ọ gbapụta anyị na njọ na ọnwụ ebighebi.

Ịgụ oge na-enyere mmadụ aka ịmata ka ihe si dị mgbe tere aka, ka o si dị ugbu a na ka e lere anya na ọ ga-adị n'ọdịniihu. Ịgụ oge na-enye aka ka a tụnye mgbe otu ihe maọbụ nke ọzọ ga-eme. Ọ bụ n'oge, ka a na-ekwu mgbe otu emume na nke sotere ya ga-ewere ọnọdụ. Oge na-egosi mgbe a mụrụ mmadụ. Ọ na-egosikwa ndị ya na onye ahụ bụ ọgbọ maọbụ ebiri. Ọ bụkwa n'oge ka a na-akanye mmemme dị iche iche dị ka iri ji ọhụụ, agbamakwụkwọ na Ịtụ mmamma. DỊ ka Akwụkwọ Nsọ si kwu, "ihe ọbụla dị n'okpuru anyanwụ nwere oge." Otu a ka ọ dịkwa n'omenala Igbo. Ihe ọbụla a na-eme nwere oge e ji eme ya.

Ọ bụ n'oge ka a na-agụkọ ka mmadụ si bi n'ụwa na mgbe o ji megasị ihe dị iche iche n'afọ maọbụ ọnwa o ji rụgasị ọrụ dị iche iche onye ahụ rụrụ. Ọ bụ n'oge ka ndị ọchịchị ji ewere ọchịchị bụkwara mgbe ha ji akwụsị. N'ụlọakwụkwọ, e ji afọ agụ klaasị nwata gaagụcha banye na klasị ọzọ Obodo ọ bụla nwere ka ha si agụ oge. Oge ndị a nwekwara aha. E nwere oge udummiri, nwekwaa oge ọkọchị. Enwere oge e ji akọnye ihe n'ubi, nwekwaa oge e ji eweputa ya. N'ebe ụfọdụ, ọnwa dị iche iche nwere ihe a na-akpọ ya. N'obodo Eke nke dị n'okpuru ọchịchị Udi, e nwere ọnwa a na-akpọ ọnwa mgbọrọọhịa nke bụ ọnwa ejighị akọnye ihe n'ala maọbụ eri oriri ọbụla. E nwere ọnwa agụowo ji, bụ mgbe e ji akọnye ji n'ala. E nwekwara ọnwa nshị bụ mgbe eji eme oriri ịgwa nshị maọbụ egwu abịa. Eke nwekwara ọnwa nke ha na-akpọ ọnwa akwalị bụ oriri na-ezipụta iri ji ọhụụ. E nwekwuazịrị ọnwa nke a na-akpọ nke ekeresimeesi. Otu a ka mba ndị ọzọ niile dị n'ala Igbo si nwechaa aha ha na-akpọkwa oge dị iche iche.

Ịgụ Oge Site N'elekere

N'oge elekere maọbụ klọọkụ erutebeghị ala Igbo, ndị Igbo nwere ka ha si agụ maọbụ ama oge n'ụbọchị n'ihi na ehi n'enweghị ọdụ na Chi ya na-achụrụ ya ijiji. Ụfọdụ n'ụzọ ha si agụ ya bụ site n'ile anyanwụ anya mara ka o si nọrọ maọbụ che ihu. Ọ bụrụ na ọ kwụ na-acha n'etiti isi mmadụ, ihe a na-ekwu bụ na ọ bụ etiti ehihie nke e nwere ike ịkpọ 12 noon na bekee. Ọ bụrụ na ọ gbadara na-acha mmadụ n'ihu n'ụdị anaghị achasi ike, a na-ekwu na ọ bụ oge mgbede. Ọ bụrụ na oke ọkụkụ akwaa n'isi ụtụtụ, a na-asị na chi efoola. Ma ụdị oge a ha na-agụkọ anaghị ekwu kpọmkwem ka ọnọdụ oge si dị ka anyị si amata ya ugbua site n'iji elekere.

Elekere maọbụ klọọkụ bụ ọgbaraọhụụ n'ihe ndị Igbo ji agụ oge. Ọ ka mfe ịgụ karịa ụzọ ndị nke ọzọ. Elekere na-aka egosipụta n'ụzọ doro anya ihe oge bụ. Ndị mmadụ nwere ike iji ya mara kpọmkwem mgbe ha nwere ọgbakọ n'ụdị ga-edo anya karịa ikwu ihe dị ka, "n'oge mgbede" maọbụ na chi ọbụbọ.

E nwere ike ikpowa elekere ụzọ atọ. Nke mbụ bụ elekere isii ụtụtụ ruo na nke elekere iri na abụọ nke etiti ehihie. A na-ewere oge a ka oge ụtụtụ. Malite n'elekere iri na abụọ nke ehihie ruo n'elekere isii nke mgbede maọbụ uhuruchi ka a na-akpọ oge ehihie. Bido n'elekere isii mgbede pụta n'elekere isii nke ụtụtụ ka a bara anyasi. Ihe ndị ọzọ na-apụta ihe n'elekere bụ etiti anyasi nke bụ ihe dị ka elekere iri na abụọ nke ime abalị, na etiti ehihie nke bụ elekere iri na abụọ nke ehihie. Ụfọdụ na-akpọ etiti abalị 'ndeeli' ma naakpọkwa n'oge ehihie mgbe ahụ anwụ ji achakwasị mmadụ n'etiti isi 'okoroto ehihie.' Ụfọdụ na-akpọkwa n'ime ụtụtụ mgbe chi na-amalite ifo 'anwa ụtụtụ maọbụ 'gem gem ụtụtụ.' N'agbata mgbede na anyasị ka ụfọdụ na-akpọ 'ezigbo mgbede.' Lee ọmụmaatụ ụdị oge dị iche iche nke elekere na mpụtara ha n'asụsụ agbaọhụụ Igbo.

12.00 NOON	Elekere Iri Na Abụọ Etiti Ehihie
6.00 PM	Elekere Isii Mgbedeu
12.00	Elekere Iri Na Abụọ Ndeeri
6.00 AM	Elekere Isii Nke Ụtụtụ
6.30 AM	O Ji Ọkara Gafee Elekere Isii Ụtụtụ
9.00 AM	Elekere Itenaanị Nke Ụtụtụ
11.50 AM	Ọ Fọdụrụ Nkeji Iri Ka Ọ Kụọ Elekere Iri Na Abụọ Ehihie
3.00 PM	Elekere Atọ Nke Ehihie
3.15 PM	O Ji Nkeji Iri Na Ise Gafee Elekere Atọ Ehihie
7.00 PM	Elekere Asaa Abalị
10.55 PM	Ọ Fọrọ Nkeji Ise Ka Ọ Kụọ Elekere Iri Na Otu Abalị

'Oge' aghọọla ihe ndị Igbo ejikwaghị egwu n'ihi ọtụtụ ọrụ ndị mmadụ na-arụ ugbu a, na ihe omume ndị ọzọ. Ọtụtụ ụmụ Igbo na-achọzị ka ha mata ihe elekere kwuru kpọmkwem. Ihe butere nke a bụ na ọtụtụ ụmụ amaala Igbo apụọla ụzọ

wee mata uru ọ bara ime ihe n'oge ya kpọmkwem. Ụfọdụ agaala ofesi wee hụ na ndị ọcha ejighị oge egwu egwu. Ọ bụ nke a mere na ha onwe ha matara nke a anaghịkwa eji oge egwu egwu. Ya meziri na ọtụtụ gbasoro usoro ahụ. Ha onwe ha anaghị ejikwa oge egwu egwu.

Oge Na Ihe Omume

Oge ụfọdụ a na-agụ oge, e kwuo mgbe ihe bidoro ji mezu. A na-agụ oge o were mmadụ iji me njem, e kwuo ihe dị ka, na njem ahụ were onye ahụ ọkara ụbọchị, maọbụ otu ụbọchị, mkpụrụ ụbọchị abụọ maọbụ atọ wdg. E nwekwara ike ikwu na ihe were afọ ole na ole maọbụ ọnwa ole na ole tupu o mechaa. Ịma atụ: E nwere ike ikwu na mmadụ nọrọ ọnwa atọ ebe ọ gara maọbụ na ọ mụrụ ọrụ ọ na-arụ afọ anọ maọbụ afọ ise. E nwekwara ike ikwu na di na nwunye ebikọọla ọnụ afọ iri abụọ na ụma. E nwekwara ike ikwu na ụgbọ njem gbara awara awara nke gosiri na oge o were ya ime njem ahụ pere mpe maọbụ na o fughi ya nnukwu mgbe. E nwekwuaziri ike ikwu na mmadụ mere ihe na ntabi anya nke pụtara na ihe ahụ were naanị ntakịrị oge maọbụ o mere fịam nke pụtara na o gbughị oge ọbụla. E nwekwara ike kwuo na mmadụ tụrụ nzọụkwụ abụọ wee ruo ebe ọ na-aga. Nke a na-egosi na ebe ahụ a na-ekwu okwu ya dị nso. N'aka nke ọzọ, e nwere ike hụta oge dị ka mgbe ihe ji me kpọkwem. Ịma atụ:Ọ nwụ ọkwa n'aka bịa,' nke pụtara na ọ mara ụzọ bịa maọbụ na ọ bịara n'ezigbo ụtụtụ. N'aka nke ọzọ, a sị na 'Ọ bịara mgbe e bidobeghi.' Nke a na-egosikwa ịbịa n'oge. 'Ọ bịara mgbe a na-agbasa.' gosiri na onye ahụ abịaghị n'oge. Ụwa mgbede gosiri na onye ahụ agafeela okorobịa maọbụ agbọghọbịa banyezie na nka. O nwekwara ike igosi na onye a na-ekwu maka ya arụmiela ọrụ ya, maọbụ na ọ rụchaala ya, na-ezuzi ike. Ọ bụ ya mere ndỊ Igbo ji asị na ụwa mgbede ka mma. Nke a pụtara na ihe ọma na-emere mmadụ mgbe dị otu a ka ọ na-eji nwayọọ anara ụtọ ya n'ihi na dọgadọga ebelatala.

Mmechi

Oge dị ezigbo mkpa na ndụ ndị Igbo. Ha na-egosipụta ya n' ụzọ dị iche iche. Anyanwụ, ọnwa, ehihie, uhuruchi, ụtụtụ, afọ, mmemme dị iche iche wdg., so n'ihe ndị Igbo ji egosipụta oge. N'agbaọhụụ, elekere na-enye aka eme ka a mara ihe oge pụtara kpọmkwem. Obodo ọbụla nwere ka ha si agụ elekere maọbụ oge n'pge gboo ma nwekwaa ka ha si agụ ya n'oge ugbu a. Oge na-enye aka eme ka ihe ndị mmadụ na-eme na-adakọ ọnụ. Oge na-eme ka ndị kwekọrịtara na ha ga-

eme ihe mara mgbe ha ga-ebido na kwa mgbe ha nwere ike ịkwụsị. E ji oge egosi afọ ole mmadụ dị maọbụ mgbe ihe gaeme maọbụ kwesiri ime. Oge dị mkpa na ndụ ndị Igbo. Ndị Igbo ejirila ụdị ịgụ oge nke ha nwere bie ọtụtụ afọ. Usoro ịgụ oge ha nyekwara aka mee ka ndụ kara ha mfe.

References

Brian, G. (2019). The Science of Time. (google.com). Retrieved 14-04-2019
Cambridge Dictionary. Time. https://dictionary.cambridge.org. Retrieved 07-11-2019.
Collins Dictionary. Time. https://www.collinsdictionary.com. Retrieved 15–11-2019
Longman Dictionary of Contemporary English. (2009). Timing. Pearson: England
New, I. (n.d). Time. https://en.wikipedia.org. Retrieved 14-11-2019
Time. https://en.wikipedia.org. Retrieved 14-11-2019
Time. https://www.thoughtco.com. Retrieved 07-11-2019
Timing. https://www.merriam,webster. Retrieved 15-11-2019
Timing. Vocabulary.com. Retrieved 15-11-2019
Timing. https://www.wordreference.com. Retrieved 15-11-2019
What is Time. google.com. Retrieved 14-11-2019
You Tube Fermi lab (n.d). Time. google.com/Sean. Retrieved 07-11-2019